Akwamozu N'oge Agba Ọhụụ A N' Obeleagụ Ụmana

Ebubechineke, Ifeyinwa.
Department of Arts Education
University of Nigeria, Nsukka

Ụmị

Ebumunuche nchọcha a bụ ịtụle akwamozu onye nwụrụ anwụ n'oge agba ọhụụ a ụka, mmụta na nsaanya bịara n'Obeleagụ Ụmana (OỤ).Nchọcha a gosipụtara adịmkpa akwamozu onye nwụrụ anwụ nakwa ihe ndị na-adapụta mgbe a kwaghị mmadụ dị ka o kwesiri. O lebakwara anya n'ihe ga-abụ ọnọdụ akwamozu n'OỤ nakwa n'ala Igbo niile n'ọdịnihu. E jiri atụtụ Smith, Burner na White nke ha wepụtara n'afọ 1956, nke ha kpọrọ Fọnkshọnalịzm mee nchọcha a. Njatụle e jiri mee nchọcha a bụ nke e nwetara na ntanet na ihe odee matara nakwa nke ọ gụtara n'akwụkwọ. Nchọpụta gosiri na ọ bụghị etu ndị OỤ si akwa ozu na mgbe ochie ụka, mmụta na nsaanya abịabeghi ka ha si akwa ozu ugbu a ha bịara nwere ọnọdụ. Nchọcha a chọpụtakwara na a na-enwe ihe ndakwasị nye onye akwaghị onye nke ya nke ọma na onye akwaghị onye nke ya chaa chaa. Ọ chọpụtakwara na a ka nwekwara ndị nwere mmasị ime akwamozu onye nke ha n'agbanyeghi mmetụta ụka, mmụta na nsaanya n'ebe akwamozu nọ n'ọdịnihu n'Obeleagụ Ụmana nakwa na ala Igbo niile gbaa gburu gburu.

Mkpọlite

Na nkwenye nakwa omenala ndị Igbo akwamozu abụghị ihe a na-eleghara anya. Omenala bụ ka ndị si ebi ndụ ahụrụanya ha, ebe nkwenye bụ ihe ndị mmadụ kwenyere na ha matara ma ọ bụ ihe ọha obodo nwere nkwekọrịta na ha na-eme ma nabatakwa ka ezi okwu. Nkwenye na-agbado ụkwụ n'okpukpere ọdịnala ha nke ọnwụ na akwamozu so na ya. Ọnwụ bụ ihe mmadụ dị ndụ apụghị ịgbalarị n' ihi na, ihe ọ bụla dị ndụ ga-anwụrịrị. Mgbe mmadụ nwụrụ, ọ na-abụrụ ndị nke ya ihe iru uju na iti aka n'obi, n'agbanyeghi ma onye ahụ a kara nka ma ọ bụ na ọ kaghị. A ga-eberiri arịrị n'ihi ọnwụ onye ahụ. Mgbe ọ bụla mmadụ nwụrụ, ọ ga-enweriri ihe a ga-ejide aka beere onye ahụ akwa. A maara ndị Igbo ka ndị na-akwanyere ozu oke ugwu, ma nyekwa ya ezi ọkwụkwa kwesiri ya nakwa

chụọkwa aja niile a na-achụrụ onye nwụrụ anwụ. Okeke (2015) kọwara ọnwụ dị ka ihe Eke kere nke ọ dighị onye ga-agbalarị ya. Ọ nwere ihe na-ebute ọnwụ. A naghị anọgide anwụ. Ọ bụ ya ka ndị mgbe ochie ji agbaga na nke onye dibịa afa ngwa ngwa mmadụ kubiri ume iji mata ụdị ọnwụ gburu onye ahụ na etu a ga-esi lie ya ma kwaa ya.

N'okpukpere ọdịnala ndị Igbo, achụmaja dị oke mkpa n'olili na akwamozu maka onye nwụrụ anwụ. Achụmaja bụ ụzọ e ji achụpụ ihe na-ebutere mmadụ nsogbu tụmadị ọnwụ. Dị ka Ezema (2000) siri kọwapụta na ndị Igbo kwenyere na achụmaja bụ ịkwapụrụ ndị mmụọ ngwo ngwo ha iji tịkapụ ha aka n'ahu mmadụ.Ya bụ na, a na-achụ aja iji gbalarị nsogbu ma ọ bụ ọdachị dakwasara mmadụ nakwa nke ka so ụzọ abịa ịdakwasị mmadụ ma ọ bụ ezi na ụlọ.

Ọnwụ na nghọta ndị Igbo bụ mgbe onye dị ndụ kubiri ghara ịdị na- eku ume, emegharị ahụ, togbọrọ ebilighi naanị ma a bịara bupu ya ebupu n'ebe ọ tọghọrọ n'ihi na ndu adighịzi ya n'ime. Onye nwụrụ anwụ amaghịzị onwe ya, nwunye ya, ụmụ ya, ikwu na ibe ya n'ihi na o nweghizi akọ na uche. Ya na onye dị ndụ enweghizi mmekọ, nkwụkọ, mkpakọ, njekọ na nrikọ n'ụdị ọ bụla. Ebe ọ bụla a hụziri ya, bụzi mmụọ ya na-agagharị. Ngwa ngwa mmadu nwụrụ, mkpụrụ obi ya amalite njem gawa n'ụwa ọzọ ọ ga-anọ zuo ike n'ihi na ndị Igbo kwenyere na ọnwụ abụghị isi njedebe ndụ. Mmadụ nwụcha, ya alakwuru ndị nna nna ochie ya ebe a ga-enye ya ọnọdụ, dị ka o siri bie ndụ ya n'ụwa mgbe ọ ka dị ndụ. Ndị Igbo bụkwa ndị a ma ama e jighi omenala ha egwu egwu tụmadị nke gbasara ọmụmụ, alụmalụ, ọnwụ na akwamozu.

Mgbe mmadụ nwụrụ, ọ dị usoro a na-agbaso ezisa ozi ọnwụ tụmadị ọ bụrụ ọnwụ onye welitere isi n'obodo, dị ka onye nze ma ọ bụ ọzọ. Onye mbụ na-amata maka ọnwụ mmadụ ọ bụla bụ ọkpara n'ezi na ụlọ ahụ ebe mmadụ nwụrụ. Ya onwe ya ga-agazi metụwere ndị ọzọ ga-aga metụrụ onye isi ụmụ nna tupu ha aga mezie ka onye isi obodo mata, tupu ọha obodo amatazie. Mgbe e zisachara ọha obodo ozi, a malite ịkpa etu a ga-esi eli ya ma kwaa ya. Akwamozu dị ka Ossai na Anọruo (2013) kọwara bụ ụzọ e si akwanyere mmadụ ugwu na nsọpụrụ mgbe ọ nwụrụ iji si ya gaa njem ya nke ọma n'ala ndị mmụọ ebe ọ ga-amalite ebimndụ ọhụụ maka na ndị Igbo kwenyere na ọnwụ abụghị isi njedebe ndụ. N'ala Igbo elim ozu na mme mme akwamozu na-ebute ezigbo nsogbu. Ihe kpatara ya bụ na ụka, nsaanya

na mmụta abịala nwere ọnọdụ. Ma tupu oge a, ndị Igbo kwenyere na tupu e lie onye nwụrụ anwụ nwoke ma ọ bụ nwaanyị, ọ dị ọtụtụ afa aga-agba nakwa aja a ga-achụ dị ka e si gbata n'afa. Ụfọdụ aja ka a kpọrọ ịwa nkita anya, ịkpụta ebule, ehi, ịnyịnya, ezi dị ka omenela siri dị nakwa nke a gbatara n'afa. Ha ga-edozi ozu ahụ ma chekwa ya nke ọma ka ọ ghara isi isi tutu e lie ya. Ndị mmadụ ma nwoke ma nwaanyị ga-amụrụ ya anya abalị iji chekwa ozu ya nche ka ihe ọ bụla dị ka arụrụ ma ọ bụ oke ghara ịga taa ya. Ndị Igbo kwenyere na ezigbo olili na ọkwụkwa bụ ihe na-enye onye nwụrụ anwụ ezigbo ọnọdụ n'ala ndị ichie. Ụfọdụ kwenyekwara na ọ bụrụ na e nyeghi ya ezigbo ọkwụkwa na mkpụrụ obi ya agaghị ezu ike, na ọ ga na-agagharị na-emenye ndị ezinụlọ ya egwu na-emebikwa ihe na ngwuru ahụ ruo na ha emee ihe ha kwesiri ime. N'ihi ya ka Nwoye (2011) jiri kwuo na, n'okpukpere ndị Igbo nakwa omenala ha, na akwaghị onye nwụrụ anwụ na-eme ka njem ya n'ofe ndị ichie agaghị nke ọma kama ọ na-alọghachiazụ dị ka mmụọ ọjọọ na akpasu ndị dị ndụ ruo mgbe ha mezuru ihe iji si ya gaa ije ya nke ọma. 'Nke a mere ụfọdụ ji akọ mmadụ ọnụ tụmadị ọ bụrụ onye na-adịghị anọ otu ebe. Ha na-asị na onye ahụ na-agagharị ka ozu akwaghị akwa. N'ihi ya ka Ossai na Anọruo (2013) jiri kọwaa na ịkwa mmadụ nke oma bụ oke nkwanye ugwu nye onye nwụrụ anwụ. Ha siri na nkwanye ugwu a ga-egbochiri ya nsogbu ga-esite n'akwaghị nke ọma dapụta n'ihi na ndị nwụrụ anwụ agaghị anabata ya. Ndị Igbo kwenyere na nke a mgbe ọ bụla a kwanyeghiri onye nwụrụ anwụ ugwu site n'ịkwa ya nke oma, njem ya n'ofe ọzọ anaghị agacha zii. Ha kwenyekwara na ọ bụ ụdị ndị dị otu a na-alọghachiazụ dị ka n'ịlọ ụwa. Eleghi anya, ọ bụrụ n'ihi ya ka ndị Igbo ejighi ahụ ọnwụ dị ka njedebe ndụ. Ọ bụghị ịla mmadụ n'iyi kpam kpam kama ha na-ahụta ọnwụ ka ngafe n'ofe ọzọ nke mmadụ ịmalitekwa ibi ndụ ọhụụ n'ala mmụọ. Ya bụ na ọnwụ bụ nkewapụ zuru oke nke mmadụ na ibe ya naanị n'ahụ, na mmalite ibi ndụ ọzọ n'ili. Site n'ihe nke anụ ahụ, nakwa ihe anya na-ahụ, onye nwụrụ anwụ na-abanye n'ụwa nke anya anaghị ahụ nakwa n'ụwa mmụọ nke ndị ichie. Nke a pụtara na ọ bụ anụ ahụ na-aba n'ili ebe ọ ga-ere ure ma mkpụrụ obi ya agawakwa n'ihu ịdị ndụ n'ụzọ omimi n'ụwa anya na-ahụ nakwa nke anya anaghị ahụ. N'aka nke ha, Odo, Mbah na Okey-Agbo (2021) kọwakwara na ọ bụrụ na e rurughi onye nwụrụ anwụ uju kwesiri ekwesi na ọ gaghị esonyere ndị nna nna ya ha ma ọ bụ nwee ezumike nke mmụọ n'ala mmụọ.

Akwamozu bụ nke ya na ntọaja pụrụ iche na-eso, nke a na-emerụ oruru uju ya n'uju dị ka aka na ọnọdụ onye ahụ si dị n'obodo. A na-eme akwamozu a maka ndị

nwụrụ ọnwụ chi ha, kara ezigbo nka ma nwụọ ezigbo ọnwụ nke ga-edubanye ha n'ala ndị ichie nke a na-emere ọtụtụ ntọaja. Y a ka Lorna (1978) jiri kọwaa akwamozu ka ihe nke mmụọ nke ana-atọrọ ọtụtụ aja e ji anụmanụ atọ.Ọ sịkwara na a na-ewebata mbem, egwu omenala dị ka igede na egwu ọgbụgba dị iche iche e ji akpa obi ọma; na ọ bụ oke na ọrụ dịịrị di ọkpara ihu na a kwara nna ya nke ọma iji kwanyere ya ugwu ikpeazụ isi ya gaa njem ya n'udo. A naghị akwa ndị anwụghị ezigbo ọnwụ akwa dị ka Okafọ (1996) dị n'Ebubechineke (2021) siri kwupụta. O kọwara na e nwere ụdị ọnwụ atọ nke gụnyere ezigbo ọnwụ, ajọ ọnwụ na ọnwụ akamere. Ndị anwụghị ezigbo ọnwụ dị ka ọnwụ afọ otuto, ikwụ ụdọ, ekpenta, nchiche ma ọ bụ kitikpa, a na-eburu onye dị etu ahụ atụfu n'ajọ ohịa. Anaghị eli ha eli ma ya fọdụ ịkwa ha akwa. Ọkafo (1996) dị n'Ebubechineke (2021) mere ka a mata na ọnwụ akamere bụ ọnwụ ibe mmadụ buteere mmadụ ibe ya dị ka inye nsị, mmadụ ịkwụ ụdọ, ọnwụ ihe mberede, ịkọ ọgwụ na ịta amosu. Ha niile bụ ajọ ọnwụ nke nwere ike ibutere ezi na ụlọ ndị nwụrụ ụdị ọnwụ a ime mkpocha na nzacha maka ala e meruru. N'OỤ nakwa n'ala Igbo niile, na mgbe ochie, ndị nwụrụ ụdị ọnwụ akamere a anaghị akwa ha akwa ma elichagodu ha. Eleghi anya, ọ bụrụ ha bụ ndị a na-ewere na-agagharị maka na ndị ichie anabataghị mmụọ ha n'ala mmụọ ha gawara. Ya bụ, ọ bụrụ na mmadụ anwụọ, o zuchaghị oke na e liri ya ma a kwaghị ya tụmadị onye kara nka. Nwoke dị etu a agaghị ekwe ka ndị be ya zuo ike ruo na ha akwaa ya ka njem ya n'ala ndị ichịe gazie. Ndị ichie dị ka Nwala (1985) siri kọwapụta, bụ ndị biri ezigbo ndụ, kaa nka ma nwụọ ọnwụ chi ha, ndị ụmụ ha kwakwara nke ọma. Ọ bụ ha bụ njikọta ndị dị ndụ na ndị nwụrụ anwụ. Ọ bụ ndị a ka onye ọ bụla bụ onye nwụrụ anwụ ga-agakwuru ma ndị nwụrụ ezigbo ọnwụ ma ndị nwụrụ ajọ ọnwụ nakwa ndị nwụrụ ọnwụ akamere. Ihechu, Uchechukwu na Ralph-Nwachukwu (2021) kwupụtara na ndị nwụrụ anwụ ka na-adịkwa ka ndị dị ndụ, ndị e kwesiri imere ntọaja kwesiri iji mee ka ha gaa njem ha n'ala mmụọ nke ọma n' enweghi ihe mgbochi. Ha kwuru na mkpụrụ obi onye ahụ na-anọrọ n'ozu ya echere olili ya. Ọ bụ n'oge dị ka oge ahụ ka ndị obodo ya ga na-agbagharị na-akwadebe olili ya nakwa ime ntọaja niile e kwesiri ime dị mkpa ọkwụkwa ya ga-enyere mkpụrụ obi ya aka ịgazi njem ya nke ọma. Ndị Igbo kwenyere na ọ bụrụ na e meghi ihe ndị ahụ na mkpụrụ obi ya ga na-erugharị na ngwuru be ya achọ okwu, aghasa akaọrụ ụmụ ya; emenye ha egwu. Oge ụfọdụ ọ kpọchie ụzọ ego si abata ndị ụlọ ya aka. Nke a bụcha ihe ndị ga-eme ka ha mee ihe ndị kwesiri ha ime iji mee ka mkpụrụ obi ya zuo ike ma dere duu ma kwụsị inye nsogbu. N'aka nke ya, Isichei (1976) mere ka a mata na akwaghị

ozu nke ọma bụ otu ihe ndị Igbo tụrụ ụjọ ya. Na mmadụ nwụrụ akwaghị ya ma ọ bụ a tụfuo ya n'ajọ ọhịa bụ inwe akpamoke ha na ndị ichie. Ọ sịrị na ha na-adị ka osu n'ebe ahụ, nke pụtara ndị a jụrụ ajụ, ndị akpachapụrụ, ndị e nweghi mmekọrịta ha na ndị ibe ha dị ndụ nakwa ndị nwụrụ anwụ.

Na mgbe ochie n'ala Igbo niile mme mme akwamozu bụ ihe na-ekpo ọkụ ma jupụtakwa n'ọtụtụ nchụaja dị iche iche nakwa ọtụtụ ihe nsọ nke na-emetụta onye ọ bụla ma ndị mmadụ nwụọrọ nakwa ndị na-abịa mgbarụ isonyere ndị na-eru uju ma tie ha aka n'obi. Akawamozu mgbe ochie malitere ịgbanwe kemgbe ndị ụka na nsaanya bịara. Nsaanya na ọbịbịa ndị ụka webatara ọtụtụ ihe mgbanwe ma ọ bụ agba ọhụụ n'omenala Igbo nke metụtakwara ọtụtụ ihe dị iche iche dị ka ikpere arụsị, ịchụ aja, ntọaja, ịgba mkpe, nkwenye dị iche iche dị ka ịlọ ụwa, ọgbanje, eshishi, alụm di na nwunye, ofufe chi dị iche iche imeru nsọ ala ụfọdụ nke butere arụ dị iche iche nke ndị mmadụ na-akpa. Nsaanya na ụka metụtakwara ebimndụ ndị Igbo n'ụzọ dị iche iche. N'ezie ọbịbịa ụka, mmụta na nsaanya ghasara omenala ndị Igbo nke ka na-emekwa ruo ugbu a.

Ndị Igbo bụ ndị nwere nkwenye n'omenala dị iche iche tụmadị n'ihe gbasara akwamozu. Ọ bụ otu ụzọ e si enwe mmekọrịta na mmetụta n'etiti mmadụ na ibe ya nke ụzọ ndị Igbo si ebi ndụ ha, ha na-ezipụta kwa ụzọ igosipụta ịkwanyere onye nwụrụ anwụ ugwu na nsọpụrụ nke na-amalite ozugbu onye ahụ mechiri anya. Ndi nwee onye ahụ ga-ebu ụzọ gaa n'afa ịjụ ase ka amata ụdị ọnwụ ọ nwụrụ. Ọ bụ ya ga-enye ha ike ịma etu ha ga-esi aga n'ihu ịkwadebe maka olili na ọkwụkwa ya.

Obeleagụ Ụmana bụ otu n'ime ụmụ iri Naa (Ụmana) mụrụ dị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu. Obodo mejupụtara Obeleagụ Ụmana bụ Ụmụagbọ, Agụlụ, Evụazụ, Amaji, okpudo, Ọsọnụ, Agụọba, Ọmụghụ, Ụmụeze na Ugwuakụlụ. Aka ọrụ ha bụ ịkpụ ụzụ, ịzụ ahịa na ọrụ ugbo. Ha nwere dibịa afa, dibịa aja, dibịa ọhụ ma ọ bụ Eze mmụọ na-agọ arụsị ma na-achụkwa aja dị ka e siri gbata n'afa. Obodo a nwekwara ndị okenye ihe gbasara elimozu na akwamozu doro anya.

Akwamozu bụ otu n'ime usoro obibi ndụ n'omenala ndị Obeleagụ Ụmana, nke na-ezipụtakwa mmekọrịta na mmetụta n'etiti mmadụ na ibe ya, iji gosipụta

ihunanya ha nwere n'ebe onye nke ha nwụrụ nọ, bụ nke ọbịbịa ndị ụka, mmụta na nsaanya ghasara. Ọ bụ ya bụ ebumnuche nchọcha a.

Nsogbu nchọcha

Agba ọhụrụ n'ọtụtụ ụzọ nwetara oke mgbanwe n'omenala (ebimndụ) ndị Igbo nke Obeleagụ Ụmana bụ otu n'ime ya, tụmadị etu o siri gbasata ọkwụkwa ozu. Ndị Obeleagụ Ụmana bụ ndị matara maka uju ihe nketa nke omenala tinyere mme mme achụmaja na ntọaja akwamozu. Akwamozu n' Obeleagụ Ụmana nakwa n' ala Igbo niile anaghị abụcha otu usoro ka ọ na-agbaso n'agbanyeghi onye ọ bụ ya nwụrụ (nwoke ma ọ bụ nwanyị). Ọ bụrụ ọnwụ onye kara nka, olili na akwamozu ya na-adị ebube, jupụta n'ihe ọṅụ, ihe nkiri, ọtụtụ achụmaja dị ka igbu ehi na ntọaja niile a na-eme tupu egbuo ehi nke ọ bụ ọkpara na ada onye nwụrụ ga-anọ n'isi ya. Ihe ndị ahụ niile bụ iji mee ka akwamozu ahụ daa ụda. Mgbe a na-akwa mmadụ, a na egburu onye ahụ ehi, ịnyịnya, ebule, ezi dị ka omenala chọrọ. Ya bụ na igbu ehi e ji akwa ozu bụ ọdịwara gboo gboo kama ọ bụkwa ka ụka bịara ka amalitere iji ehi akwaozu. Ọ bụ ngwa ngwa ụka bịara ka ndị Igbo malitere iji ehi akwa ozu. Nke a bụ ka ha jiri ya nọchie anya mmadụ ha jibu achụ aja, lie ma jirikwa mmadụ kwaa ozu. Ma kemgbe ụka, mmụta na nsaanya bịara, ihe ndị ahụ kwụsịrị. Ọ bụ etu a ka e si malite iji ehi akwa ozu. Ọ bụ otu ihe ụka wetara. A na-aka akwanyere ndị kara nka, ndị lụrụ nwunye ma ọ bụ di ugwu mgbe a na-eli ha ma ọ bụ akwa ha karịa ndị ntorobịa ma ọ bụ nwatakịrị ndị nke a na-ahụta ọnwụ ha dị ka ajọ ọnwụ. A na-enye ndị kara nka na ndị lụrụ di ma ọ bụ nwunye ezigbo ọkwụkwa ka e gbochie mmụọ onye nwụrụ ịdị na-abịa enye ndị ezinụlọ ya nsogbu maka na ha kwenyere na ọ bụrụ na ha akwaghị ozu ahụ nke ọma, mkpụrụ obi ya agaghị alarụ ma zuokwa ike n'ala ndị ichie. Ọzọ, ha kwenyere na ntaramahụhụ ekpemekpe keọha na-adapụtara ndị ezinụlọ akwaghị onye nke ha nwụrụ anwụ nke ọma. N'ihi ya nchọcha a gbadoro ụkwụ n' ịtule ka ụka, mmụta na nsaanya si metụta akwamozu n'oge agba ọhụụ a n' Obeleagụ Ụmana.

Mbunuche Ndọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta ka agba ọhụụ si emetụta akwamozu n'Obeleagụ Ụmana. Mbunuche nchọcha a kpọm kwem bụ

1) Ịtụle ka agba ọhụụ si emetụta akwamozu
2) Ịmata ntaramahụhụ ekpemekpe keọha na-adapụta maka akwaghị onye nwụrụ anwụ nke ọma.

3) Ịchọpụta ihe ga-abụ ọnọdụ akwamozu n'Obeleagụ Ụmana n' ọdịnihu.

Ntụlegharị Agụmagụ

Na ntụlegharị agụmagụ, e lebara anya na ntụlegharị ederede, ntụlegharị nchọcha n'isi okwu na ntụlegharị atụtụ nchọcha.

Nkọwapụta ọkpụrụkpụ okwu njimarụ na nchọcha a

Omenala bụ ka ndị si ebi ndụ ha. N'omenala ndị Obeleagụ Ụmana, e nwere nkwenye na ọnwụ abụghị isi njedebe ndụ. Ha kwenyere na mgbe mmadụ nwụchara, e lie ya na ndụ ya na-amalite kwa n'ụwa ndị mmụọ ọzọ. Omenala gụnyere ọtụtụ ihe ndị na-eme dị ka ekike, asụsụ, erimeri, egwu, ọnwụ na akwamozu ha nakwa ihe ndị ọzọ. Ọ bụ ya ka Mbah, Mbah, Ikeokwu, Okeke, Nweze, Ugwuọna, Akaeze, Ọnụ, Eze, Prezi na Odii (2013) jiri kọwaa na amụmamụ asụsụ omenala bụ ụzọ amụmamụ asụsụ na-amụ maka ụzọ niile gbasara etu mba ma ọ bụ obodọ si ebi ndụ. Asụsụ dị oke mkpa n'ebe ndị nwe omenala nọ. Ọ bụ site n'asụsụ ka e ji emekọrịta ihe gbasara omenala.

Ọnwụ bụ mgbe onye dị ndụ kubiri ghara ịdị na-eku ume, emegharịghị ahụ, tọgbọrọ, ebilighi naanị ma apafụrụ ya ebe ọ tọgbọrọ n'ihi na ndụ adịghizi ya n'ime. Onye nwụrụ anwụ na onye dị ndụ enweghizi mmekọ, nkwụkọ, mkpakọ, nkekọ na nrikọ n'ụdị ọ bụla. Onye nwụọ mkpụrụ obi ya amalite njem, gafee n'ụwa ọzọ ebe ọ ga-ezu ike ma malite kwa ndụ.Ya ka Quacoopome (1982) jiri kwuo na ọnwụ dị ka ụgwọ mmadụ jiri ya.

Akwamozu bụ emume a na-emere onye nwụrụ anwụ, n'ihi na ndị Igbo kwenyere na onye nwụọ a kwaa ya maka onye akwaghị anaghị enwe ezumike n'ala mmụọ ọ gawara. Ndị ichie nọ ebe ahụ tupu ọ bịa agaghị anabata ya. Ọ bụ usoro imezuru na ịkwanyere onye nwụrụ ugwu maka mbọ ọ gbara n'ụwa. N'akwamozu, ndị mmadụ na-abịara onye mmadụ nwụnahụrụ mgbarụ iji tie onye ahụ aka n'obi. Ha na-eji ihe ndị dị ka mmanya, akwa, ewu, ehi, ji, akpụ, ego, nakwa ihe onyinye ndị ọzọ iji kwado ha maka akwamozu. Ndị Obeleagụ Ụmana kwenyere na ọ bụ ụbọchi a kwara ozu ka ozu ahụ ga-alaru nke ọma na be mmụọ. Akwamozu bụ ụzọ e ji asị onye nwụrụ gaa njem ya nke ọma nakwa ka mmụọ ya zuru ike. A na-akọ onye akwaghị ndị mụrụ ya ọnụ n'ala Igbo niile. N'ihi ya onye ọ bụla na-agba mbọ akwa onye nke ya nwụrụ anwụ iji mee ka ihe gaziere ya nke ọma. Ọ bụrụ na mmadụ

akwaghị onye nke ya nke ọma, ọ na-ebutere onye ahụ nakwa ezinụlọ ya ọtụtụ nsogbu dị iche iche.

Ọ bụghị mmadụ niile nwụrụ anwu ka a na-emere mme mme akwamozu ya. Anaghị akwa ndị nwụrụ ajọ ọnwụ na ndị nwụrụ ọnwụ akamere. N' OỤ usoro akwamozu bụ elicha onye nwụrụ anwụ, a kaa ụbọchi akwamozu ya ga -abụ. Ụbọchị ruo agba mkpọnanị ịgwa ọha na eze dị ka ọnọdụ onye dị n'ọha na eze. Ha ga-egbu ehi nke ada na ọkpara ga-anọ n'isi ya. Mme mme oriri na ọṅụṅụ na egwu ọdịnala na ntọaja dị ichie ga na-arị ibe ya elu. Usoro akwamozu n'ezie abụghị otu n'ala Igbo n'ihi ya ndị ọ bụla na-akwa ozu dị ka omenala ha siri dị. Ma na agba ọhụụ bịara weta mgbanwe na a na-akwazị mmadụ n'ụbọchị ahụ e liri ya. Ntọaja niile ndị ahụ a na-eme iji mee ka ndị mmadụ na-enwe ọṅụ ka a katọrọ ka ihe ruru arụ. Ọtụtụ ihe ndị a na-emegasị mgbe a na-akwa mmadụ agba ọhụụ bụ ụka, mmụta na nsaanya agbanwechala ọtụtụ ihe. Akwamozu ugbu a bụ akwamozu a na-agbaso usoro ụka eme. Usoro nke mgbe ochie bụ nke ọha na eze matara onye ahụ dị ka onye ọgọ mmụọ tupu a gbasoro usoro ahụ kwaa ya nakwa na ọ bụrụ na o kwuru ka a kwaa ya n'ụzọ omenala. E wepu ya ọ bụ n'usoro ụka ka a na-agbasozi akwa onye nwụrụ anwụ. Nke a bụrụ ụzọ agba ọhụụ siri weta mgbanwe n'akwamozu n'OỤ.

Ntọaja gbadoro ụkwụ n'ofufe. Ezeuko (199) kọwara ya dị ka ụzọ dibịa aja ji achọpụta ma chụpụ ihe na-ebutere mmadụ nsogbu dị ka e siri gbata n'afa. A na-atọ aja iji gbalarị nsogbu ma ọ bụ tịdaa ike nsogbu ka ọ ghara ịdị oke ike n'ịdakwasị mmadụ, ezinụlọ, ụmụ nna ma ọ bụ ọha obodo.E ji ihe dị iche iche atọ aja dị ka ehi, ịnyịnya, ebule, ji, akwa, ọjị, ewu, ọkụkọ nakwa ọtụtụ ihe ndị ọzọ.

Ọbịbịa Ndị Ọcha

Ụka, mmụta na nsaanya metụtara omenala na nkwenye ndị Igbo niile nke OỤ bụ otu n'ime ha.Ọ bụ ndị ụka dị ka Wesley Metọdis, ndị CMS, na ndị RCM nakwa ndị otu ụka ndị ọzọ n'ala Igbo. Ndị ụka ji ka ha guzowe ụlọ akwụkwọ na Naịjirịa gbaa mgbọrọgwụ. Nwankwọ na Anọruo (2021) mere ka aghọta na ngwa ngwa ha guzochara ụlọ akwụkwọ amalite, a malite ịgụ akwụkwọ nke ọma ndị ụka ndị a egbughi oge ịkwụsị ajọ akparamaagwa ndị mgbe ochie banyere omenala na nkwenye ndị jọgburu onwe ha. Agha (2012) mere ka amata na ndị ụka ndị a kwugidere ajọ agwa ndị dị ka ntọaja, n'ụdị ọ bụla, igbu mmadụ, iji mmadụ lie ma

ọ bụ kwaa ozu, ịta amosu, igbu ụmụ ejima na nne ha nakwa ọtụtụ ajọ agwa ndị ọzọ. Ihe ndị a ka ha gbalisiri ike kwụsị. Ọ bụkwa mmụta ndị a e webatara nyere aka saa ndị Igbo anya, nke nyere ha aka ịghọta ihe ndị ụka ndị a na-akọwa. Mmụta mere ka e nwee oke mgbanwe n'omenala na nkwenye n'ebe ọ dị ukwuu. Ụka, mmụta na nsaanya metụtara omenala hinne. O mere ka ndị Igbo hapụ omenala nke ha mewe nke ndị ọcha. Ọ bụ ihe ọbịbịa ndị ọcha butere n'ihi na ha fụrụ ụzọ n'oge karịa ndị Igbo, ndị ha hụtara ka ndị nọ n'isi. Ha manyere ndị Igbo ka ha kwenye n'omenala nke ha ma hapụ ha onwe ha (cultural imperialism), n'ihi nkarị ha karịrị ndị Igbo. Kemgbe ahụ, ka ndị Igbo malitere biwe ndụ ma kpawa agwa ka ndị ọcha, ya bụ ejije ndị ọcha nke metụtara ebimndụ ha ruo n'akwamozu ha.

Nchọcha e merela n' isi okwu

Ọnwụ bụ ụgbọ ga-ebula onye ọ bụla dị ndụ n' ala mmụọ. Ndị nna anyị ochie hụtara ya ka ihe dị nnukwu mkpa, ịkwanyere onye nwụrụ anwụ ugwu site n'ịkwa ya. Ha na-eme nke a site n' izukọta na ngwuru onye ahụ nwụrụ anwụ. Ngwa ngwa onye ahụ nwụrụ ndị ya na-agba afa iji mata etu onye ahụ siri nwụọ. Ọ bụ ya ga-ezipụta etu a ga-esi eli ma kwakwaa ya. Ọ bụ site na mmekọrịta na mmegharị ahụ na agbammbọ ndị nọ ebe ahụ ka a ga-ejị amata onye akwamozu ahụ dara n' isi. Ụfọdụ ndị nchọcha emeela nchọcha dị iche iche n' ihe gbasara omenala akwamozu mmadụ n' ala Igbo mana ọ dịghị ndị ọchọcha merela nchọpụta maka akwamozu n' OỤ.

Okpoku (1978) lebara anya n'akwamozu na ugwu a na-akwanyere onye nwụrụ anwụ. Ebumnuche ya bụ ịchọpụta mkpa ọ dị na uru ọ bara bụ ịkwanyere onye nwụrụ anwụ ugwu. Ọ chọpụtara na o kwesiri ekwesi na ndị dị ndụ ga-akwanyere onye nwụrụ anwụ ugwu ikpeazụ site n'ịkwa ya. Nke a bụ iji chụọrọ ya aja nri na ihe ọṅụṅụ ndị na- egosi ihe ncheta na nsọpụrụ nyee onye ahụ nwụrụ anwụ. Nchọcha abụọ ndị a yitere kama na ndị iche ya bụ na nke a a na-eme ugbu a na arụtụ aka n'akwamozu nke agba ọhụụ. Ha abụọ abụghi otu.

Ossai na Anọruo (2013) kwuru na akwamozu bụ ịkwanyere onye nwụrụ anwụ ugwu site n'ịkwa ya nke ọma. Nchọpụta gosiri na ọ bụ iji gbochibido nsogbu ga-esite n'akwaghị nke ọma pụta. O yitere nke a kama ebe nchọcha abụghị otu.
Iwuagụ (1979) hụtara akwamozu dị ka ofufe. Ọ sịrị na akwamozu dị ka ndị Igbo siri hụta ya bụ ofufe, imeda chi obi, na mmadụ na onye nwụrụ anwụ inwe

mmekọrịta, aja na ụzọ iji nyocha onye nwụrụ anwụ n'ebe o mere nke ọma na ebe ọ meteghi nke ọma mgbe ọ nọ n'ụwa. Nchọcha abụọ ndị a abụghị otu.

Eke ọkpara (1994) mere nchọcha n'ihe gbasara ekpemekpe na ọnwụ n' ala Igbo. Ya bụ ịchọpụta na inwe nghọta gbasara okpukpere chi. Ọ chọpụtara na onye ọ bụla nwere chi aka ya na etu o si ekpere ya. Ọ chọputara na ọnwụ bụ mbibi kpam kpam nakwa ihe mgbanwe ndụ site n'ụwa mmadụ nọ fee n'ụwa ọzọ. Nchọcha abụọ eyiteghi.

Odo, Mbah na Okey Agbo (2021) lebara anya n' iti akwa n' ukwu n' ọnwụ mmadụ iji gosipụta ndị na-eru uju nakwa izipụta ndimiche na ndị bịara mgbarụ. Mana nchọcha a na-eme ugbu a na-arụtụ aka n'ịkwa onye nwụrụ anwụ n'oge agba ọhụụ eji ezila ya ka ọ gaa nke ọma. Nchọcha abụọ ndị a abụghị otu.

Nchịkọta ntụlegharị agụmagụ

Na nchịkọta, ndị ọchọcha dị iche iche emeela nchọcha di iche iche gbasara isi okwu nchọcha a. Ma nchocha ndị ahụ niile emerela eyiteghi nchọcha nke a. Nchọcha a lebara anya etu e si eme akwamozu n' agba ọhụụ a n' Obeleagụ Ụmana.

Atụtụ nchọcha

Atụtụ a gbasoro mee nchọcha a bụ atụtụ nke fonkshọnalizm. Ndị guzowere ya bụ Smith, Burner na White n'afo, 1956. Atụtụ a na-arụtụ aka na ntọaja na-ezipụta akparamagwa nke na- elegara anya n'ihe nsọ, ịdị nsọ na adịmasọ. Ya bụ na ntọaja bụ ihe nnọchite anya ihe dị nsọ n' ọha na eze. Atụtụ fọnkshọnalizm na-akọwa ụdịdị ntọaja ọnatarachi dị ka ihe ọ na-arụ n'ọha na eze. Ebumnuche atụtụ a bụ ịkọwapụta uru ntọaja baara mmadụ n'oge akwamozu nakwa ọnọdụ ya n'ọha na eze. Salami (2016) kwadoro atụtụ a site n' ịkọwa mmetụta o nwere na nkwanye ugwu, nsọpụrụ, itọ ụtọ nakwa atụmegwu nyee ihe nsọ nke dabeere na nkwenye ndị nke a na-esite n' asụsụ nkọkịrịkọ ndị na ihe nzipụta ha amata. Atụtụ a dabara na nchọcha a n'ihi na akwamozu onye nwụrụ bụ ụzọ nsọpụrụ, ntọaja, nkwanye ugwu na ofufe na ịtụ chi egwu e ji enye mmadụ ezigbo ọkwụkwa ka ọ laruo ebe ọ na-aga ghara inye ndị ya nsogbu nakwa ka ihe dịịrị ndị ọ hapụrụ mma.

Ntụcha Njatụle

Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ịkọwa etu agba ọhụụ si nweta mgbanwe n'ụzọ e si akwa ozu. Ọ bụchaghịzi etu e si akwa ozu na mgbe ochie ka e si akwa ya ugbu a n' ihi na ụka, mmụta na nsaanya bịara.

Nkọwa agba ọhụụ na mgbanwe o nwetara. Agba ọhụụ bụ oge ugbu a. Ọ bụ oge e ji ahụ omume nke adịbụghị. Nke a pụtara na ọ bụ oge e ji eme omenala na nkwenye nke adịghị na mbụ, nke ọ bụ ụka, mmụta na nsaanya webatara. Oge a na-eweta mgbagwojuanya nye ọha na eze nke mere na a na-enwezi nnupuisi nyee omenala na nkwenye maka mmụta, nsaanya na ụka batara nwere ọnọdụ nke mere na echiche ndị mmadụ gbanwere banyere ihe omenala ụfọdụ ha kwenyere na mbụ. Agba ọhụụ metụtara ọtụtụ ihe n'omenala ndi Igbo nakwa nke OỤ, nke metụtara etu e si akwa ozu ugbu a. Ọtụtụ mgbanwe ka agba ọhụụ wetara n' omenala akwam ozu kemgbe ndị ọcha batara n' ala Igbo. Tupu oge agba ọhụụ a, mmadụ nwụọ tụmadị ọ bụrụ onye welitere isi n'obodo (nze na ọzọ) ma ọ bụ onye nwere ego a ga-echekwa ozu ya, tee ya mgbọrọ ọgwụ e ji eli akụ kụta, ma jiri ọkụ chekwa ahụ ya ka ọ ghara isi isi ebe ụlọ ndebeozu adịghị mgbe ahụ. Emesịa nke a, e lie ya tupu akwawa ya mgbe ndị be ya kwadoro. Ọ bụrụ nwaanyị nwụrụ, ụmụ ya na-eburu ụzọ gaa gwaa ndị be nne ha na ahụ adịghị nwa nne ha nwaanyị. Ha ala, lọghachi gwazie ha na ọ nwụọla. Ha kwenyere na ọ bụrụ na ụmụ aka ahụ emeghi etu ahụ, ebo ha ebubo na ha ga-achọ ịmata ihe gburu ada ha nwaanyị. Mgbe a natachara ozi, ha ebee akwa jụọ ha ihe ha chọrọ ime. Ha kwuo na ha ga-eli ya ozugbo ma ọ bụ kwaa ya ozugbo, ha aga bụrụ ozu ya lọta na be nna ya, mana, agba ọhụụ emela ka nke a nwụọ pii. Ọzọ kwa, ụlọ ndebe ozu dizi, anaghịzi echekwa ozu ma ọ bụ tee ya elu akụ na mgbọrọgwụ. O nwere ihe ndị be nwaanyị ga-asị ka e nye ha, ihe ndị dị ka akwa ekpe, ite mmiri ọṅụṅụ ya, ọkụ nri ya, mma ekwu, oche etukwu ya, azụ, anụ ọkpọ na ngwa ofe ndi ọzọ o riforọ. Ihe ndị ọzọ ha ga-asị ka e nye ha, a ga-enyecha ha ya. Ozugbo ha natachara ihe ndị a ha gaa bụrụ ozu ya.Ma agba ọhụụ nakwa n'ihi na ụfọdụ mmadụ agawala ụka ma gụọkwa akwụkwọ a naghịzị eme ihe ndị ahụ ugbu a. Ha anaghịzi agbaso usoro mgbe ochie a akwa ozu ma ọ bụ meso nwaanyị di ya nwụrụ ajọ mmeso a na-emeso ha mgbe ha na-agba mkpe di ha. Agba ọhụụ emebiela ha, ha nwụọ kpam kpam na mpaghara ala Igbo ụfọdụ.

Ntaramahụhụ ekpemekpe keọha na-adapụta mka akwaghị ozu nke ọma

Nchọpụta gosiri na e nwere ntaramahụhụ ekpemekpe keọha na-adapụtara ndị ezinụlọ akwaghị onye nke ha nwụrụ nke ọma. Okeke (2015) kọwara na e nwere nkọkịrịkọ banyere ụmụ mmadụ ndị tufuru ndụ ha maka akwaghị ndị ha nke ọma, kpasuo ndị ichie iwe. Ọ kọwara na ebe mmadụ akwaghị nna ya etu o kwesiri site n'inweta na ime ntọaja ndị dị mkpa dị ka ewu, ma ọ bụ ehi, ya aga n'akwamozu onye ọzọ nwere anụmanụ ndị ahụ o jighi kwaa nna ya kpunye onye ọzọ ahụ na-akwa mmadụ, ha gbuo ya ozugbo. Ọ bụ ihe agba ọhụụ butere. Ha chere na agba ọhụụ ruru n'ihe niile. Ihe gbasara akwamozu bụ ihe a na-akpachapụrụ anya . Onye ahụ e kwesikwaghi iri nri e ji anụ ahụ sie. Ma ọ bụrụ na o rie ya, mmụọ ndị ahụ nwụrụ anwụ ga-amalite ịchụso ya. Ọ bụrụkwanụ na o meghi ngwa banyere ya, ha egbuo ya. Okafọ (1996) n' aka nke ya kwadoro na ụdị ọnwụ a, dapụtara n' ebe ọ gara akwamozu, nke dakwasịrịla ọtụtụ mmadụ na-emejupụtaghị ntọaja a chọrọ ka e mee n'isi nna ha nwụrụ anwụ mana gaa taa anụ ehi e gbuuru nna onye ọzọ, ha anwụọ. Ya bụ na ntaramahụhụ ekpemekpe keọha na-adapụta ma dakwasị ọtụtụ mmadụ n'ihi na ha akwaghị onye nke ha nwụrụ anwụ ọfụma. Ọ bụkwa agba ọhụụ kpatara ya n'ihi na ha ejizighi ihe ndị ahụ kpọrọ ihe maka na nsaanya, mmụta, ụka na omenala ndị ọcha bịara nwere ọnọdụ n'ala Igbo, ndi Igbo gbakụta omenala ha azụ mewe nke ndị ọcha nsogbu daa. Ọzọkwa, Ọkafọ (1996) kwukwara na ọ bụrụ na nwoke nwụọ, nwunye ya nọ na mkpe gaa ya na nwoke ọzọ dịna, na nwaanyị ahụ ga-anata ntaramahụhụ dị ka mmapụ n'obodo, obodo ụfọdụ na-edugharị nwaanyị dị etu ahụ n' obodo niile ma gbawa ya ọtọ ọ na-agagharị. N' ebe ụfọdụ kwa, a na-erefu ya dị ka ohu. Ọkafọ sikwa na ọ bụrụ na nwaanyị tụụrụ ime n'oge ahụ, o rue oge ọ ga-amụ nwa ya, na o nwere ike nwụọ n'ọmụmụ nwa ahụ, nke a mere na ụdị ọnwụ a bụ ọnwụ ọjọọ. Nke a mee, a na-etufu ya, a naghị eli ya eli nke eji akwa ya. Ọ bụrụkwanụ na ọ nwụghị a na-atụfụkwa nwata ahụ n' ajọ ọhịa ebe nne ya ga-eje chụọ aja dị ka a gbatara n'afa. Eze mmụọ ga-agwa ezinụlọ nwaanyị dị etu a ihe ha ga-eme iji kpụọ arụ ọjọ mmụọ o mejọrọ ka ala dịkwa asọ ọzọ. Ya bụ, n'OỤ, e mezughi ihe ndị dị mkpa e kwesiri ime maka akwamozu na-ebute ntaramahụhụ keọha nke nwere ike ịbụ nrịa nrịa amataghị ebe o sitere, mmebi ihe n' ezinụlọ ahụ, nghasa akụnụba, agaghị n'ihụ, ọnwụ elulu, ọnwụ mberede nakwa nsogbu ndị ọzọ gasị. Ha bụcha ihe ndị agba ọhụụ na-ebute mgbe e leghara omenala dị mkpa anya. Agha (2012) kwadoro nke a, ya ka o ji kwuo na iji gbochie ihe ntaramahụhụ ndị a ịdakwasị mmadụ, nakwa nkwenyesike ndị Igbo banyere akwamozu, ọ bụ ya ka ha ji ebulata onye nke ha nọrọ n'ofesi

nwụọ ka ha lie ya n'ala ya ka o sonye ndị nna nna ya n'ihi na a ga-akwanyere ya ugwu nke ya tụmadị ma ọ bụrụ na ọ ruola ihe e ji mmadụ eme. A na-emere akwamozu dị etu ahụ ọtụtụ mme mme nakwa oke oriri na ọṅụṅụ. Ndị OỤ dị ka Okeke (2015) kwadokwara na ọ bụ ndị a kwara nke ọma na-alọrọ ndị ya ụwa. Ya mere, ụdị ntaramahụhụ ndị dị ndụ na-anata n'aka ndị ha lara mmụọ, ndị Igbo kwenyesirike na ọ dị oke mkpa ka ndị mmadụ nwụụrụ ịgbasie mbọ ike ihu na ha kwanyeere onye ha nwụrụ anwụ ugwu ruru ya ka udo dị n' ala ndị dị ndụ ma dị kwa n' ala ndị nwụrụ anwụ ghara ikwe ka ụka ma ọ bụ nsaanya, mmụta na omenala ndị ọcha tigherie ha echiche ka ha hapụ ime ihe kwesiri ha ime mewe ihe ọzọ iji gbochie ihe otiti ụdị akparamagwa dị etu a na-ebute.

Ọnọdụ Akwamozu N' Ọdịnihu

Nchọpụta gosiri na n'ọnọdụ akwamozu na a ka nwere olileanya. Ndị Igbo bụ ndị okomoko dị n'ahụ. Ndị na-azọ oge niile ka ha mekarịa nwa nne ha n'ihe ụfọdụ tụmadụ mme mme ọnwụ, alụm di na nwunye ma ọ bụ oriri na ọṅụṅụ ọ bụla. Abịa n' akwamozu, ha ga na-eme ka obodo niile nụ ụda ihe ha mere. Ha na-anọ n' akwamozu agba ọhụụ a gosi na ego na-agara ha ozi. Ọ bụrụ na onye a na-akwa bụ onye welitere isi, ụmụ ya ga-enwekwa ndị ọyị nwere ego, nke mere na n'ụbọchị ahụ ego ana-efe n'elu ka o nwere nkụ. A na-amanye ọtụtụ ehi, ewu, ịnyịnya, ebule, ọkụkụ nakwa esipu ụdị erimeri dị iche iche ma kwụwa ụgbọala ebe mmanya ntụoyi dị iche iche nke ga-eme ka ndị mmadụ jiri isi aja ije, na-eri na-aṅụ kama ọ ga-adọrọ n'ite ka ọ dọrọ n'afọ. N' ihi oke mkpa akwamozu dị, ụfọdụ na-ahapụ nke ha ọtụtụ afọ iji nweta ego eji eme ya maka na ọ na-eri ọtụtụ ego.

Ọzọ, ndị ụka ụfọdụ na-eji maka otụtụ ntọaja dị n'ịkwa ozu chọọ iji ego mee nke ha maka ọtụtụ ihe ndị okwukwe ha achọghị a ga-asị ha nweta. Ha achọghị isonye na mme mme ịzụta titi na riri a ga-achọ. Nke a gosiri na ọ bụrụ na ihe gawa etu ahụ, agba ọhụụ ga-emetụta akwamozu n' ọdịnihu n'ebe ọ dị ukwuu. Ma ka o sila dị, olileanya ka dị n' ụzọ ọ bụla e jiri mee ya. Akwamozu bụ akwamozu. N'agbanyeghi na ọ dịghị mpaghara nsaanya, mmụta, ụka na ọbịbịa ndị ọcha na-emetụtaghị, a ka nwekwara olileanya na ọ gaghị ekwe ka e chefuo ihe ọ bụla banyere akwam ozu kama ọ na-eriwanyesi ego ike.

5.1 Nchịkọta nchọcha

Nchọcha a lebara anya n'akwamozu n'oge agba ọhụụ a n'Obeleagụ Ụmana. Akwamozu n'oge agba ọhụụ bụ otu ụzọ izipụta etu ụka, nsaanya na mmụta si metụta omenala na nkwenye ndị Igbo n'ihi na ha nabatara agwa ndị ọcha n'ala ha. Onye nchọcha rụtụrụ aka n'etu e si akwa nwoke ma ọ bụ nwaanyị ndị lụgoro di ma ọ bụ nwunye. O mere ka amata na ọ bụghị mmadụ niile nwụrụ ka a na-akwa na mgbe ochie n'OỤ. Nchọpụta mekwara ka a mata na omenala ndị ọcha emebichala nkwenye na usoro akwamozu niile dị ka o si gbasa ndị Igbo niile nakwa ndị OỤ. Nchọpụta e mere gosiri na ọ bụrụ na a kwaghị mmadụ na mkpụrụ obi onye ahụ anaghị ezu ike ruo na a kwaa ya nke ọma. Ọzọ kwa na a na-enwe ihe ndakwasa maka ndị akwaghị onye ha nke ọma ma ọ bụ akwaghị chaa chaa. Mana, n'ime ihe niile, nchọpụta gosiri na a ka nwere olileanya na akwamozu agaghị anwụnyụ anya n'ala Igbo n'agbanyeghi nnukwu mmetụta agba ọhụụ nwere na ya. Nchọcha a mekwara ka amata mkpa ọ dị ịkwa onye nwụrụ anwụ mgbe ọ bụla a dị njikere ma ọ bụ nweta ego, iji gbalarị iwe onye nwụrụ anwụ nakwa ime ka ndị dị biri n'udo n'enweghi mmekpa ahụ ọ bụla nke sitere n'akwaghị mmadụ dị ka nkwenye na omenala siri kaa maka agba ọhụụ.

Mmechi

Agba ọhụụ n'ọtụtụ ụzọ metụtara akwamozu na ntọaja ndị Igbo. Mana ọ dị mkpa ịmata na n' agbanyeshi etu o siri metụta akwamozu ndị Igbo nakwa nke OỤ e nwekwara ntaramahụhụ nke ekpemekpe keọha maka ndị na-emejupụtaghị ntọaja akwamozu a etu o kwesiri maka onye nke ha. Ha gụnyere ọnwụ mberede, orịa ekwe ngwọta, mmụọ na-agagharị emebe ihe ọnwụ elulu, mfu na ọnwụ nke e nweghi ike ịkọwata ihe kpatara ya.

Aro

Ọchọcha tụnyere arọ ka ndị Igbo/ ndị OỤ mee ihe ndị ha kwesiri ime maka akwamozu onye nke ha nwụrụ anwụ iji hụ na ọ laruru ala mmụọ n' ụdọ. Nke a bụ ka o nweta ezi ọnọdụ ebe ahụ n'ihi na ha kwenyere na onye nwụrụ anwụ na-amalitekwa ndụ ọhụụ n'ala mmụọ. Ọzọ, e kwesiri ime ka ndị Igbo mata mkpa ọ dị bụ ime ezi akwamozu na ntọaja ndị so ya iji gbochie ntaramahụhụ keọha na-adapụta site n'akwaghị ozu nke ọma

Ọzọ kwa mme mme akwamozu dị nnukwu mkpa maka na ọ na-ahazido mmekọrita dị n'etiti mmadụ na ibe ya nakwa mmadụ na ihe a naghị ahụ anya n'ụwa mmụọ na ike dị iche iche. Ime mme mme a n' oge ọ bụla o kwesiri na-ewulite ịdịnotu, ịganihu, ịdị ndụ n'etiti ihe a na-ahụ anya na nke a naghị ahụ anya. Ọ bụ ezie na agba ọhụụ, ụka, mmụta na nsaanya metụtara akwamozu n' ala Igbo dum nke OỤ so na ya, ma a ka nwere olileanya na e nwere ndị ka na-akwa ndị nke ha nwụrụ anwụ etu o kwesiri iji si ya gaa nke ọma n'ụwa ọzọ nke ndị ichie ndị na-elekọta ezịnụlọ ha nke ha hapụrụ anya nọ.

Nrụtụaka

Agha, U. A. (2015). *Religion and culture in the permissive society*. Enugu: SAPS Press (Nig).

Ebubechineke, I. B (2021). Nkwenye ndị Igbo: Na M. O. Omeje na G. T. Onwụka (ọhz) *Ntọala Nkụzi* na *Ọmụmụ Asụsụ Igbo*. Paschal Communications.

Ekeopara, H. M (1994). Death in Igbo Land: a religious and Philosphical review. A thesis presented to the Department of Religion, UNN in Partial fulfillment of the requirements of the award of degree certificate.

Iwuagu, J. N. (1974). Burials rites in Mbaitoli/ Ikeduru L. G.A . A Project Presented to the Department of Religioun UNN.

Isichei, E.(1976). *The Ibo People and the Europeans*. London: Faber and Faber.

Lorna, M. (1978). An Igbo Second Burial. Avaliable: www.jstor.org/stable/12143002 ụbọchị mbutu Juun12, 2023.

Mbah, B. N. Mbah, E. E., Ikeokum, E. S, Okeke. C. O, Nweze, I. M, Ugwuọna, C. N, Akaeze C. M. Onu, J. O. Eze, E. A. Prezi, G. O &Odii, B. C (2013) *Igbo Adi Igbo-English English-Igbo Dictionary of Linguistics and Literary Terms*. Enugu: UNN Press Ltd.

Ndukwe, U.E., Ihuchu, I. P.& Ralph-Nwachukwu, O. (2021). . Modernity and Burial in Igboland. A Paranormal Approach. *British Journal of Communication and Media Research. 1(1) 28-38.*

Nwala, U.T. (1985). *Igbo Philosophy*. Ikeja: Latern Books.

Nwankwọ, E. A. & Anọzie, O.(2014). Igbu Efi: Indigeous Practice and Politics of After death in Igbo Culture Area. *Review of Knowledge Economy.* 1 (2), 62-73.

Nwoye, M. A. C. (2011). Igbo Cultural and Religious Worldview*:* An insider's perspective. *International Journal of Sociology and Anthropology,* 3(9), 57-68.

Odo, C. O., Mbah, B. N. & Okey-Agbo, J. N. (2021). Iti Akwa ọnwụ n' ukwu naNsụka. *Nsukka Journal of African Languages and Linguistics*. 16,15-35.

Okeke, C. O. (2015). Belief in life After Death in African Traditional Religion Vis-à-vis Christian Religion: A case study of central sub-cultural zone of Igbo land. *International Journal of Research Development*.

Ossai, J & Anọruo, A.N.O.(2013). The Cost of Burial Ceremonies in Igboland. Nigerian Tribune, April 10th,

Salmaie, Nodoushan, M. A. (2016). On the functions of sweaving in Persian. *Journal of Language Aggression & Conflict*, 4 (2), 234-254 Retrieved May 10thwww.abjournals.org.

Smith, M. B., Burner, J. S. & White, R. W. (1956) . *Opinion and Personality*.New York: Wiley.

Quarcoopome, A.N.O.(1987). *West African Traditional Religion*. Ibadan: AUP